# IWU MEMORIAL HERMANN HEALTH SYSTEM

**ISIOKWU IWU** Iwu Enyemaka Maka Ego

**ỤBỌCHỊ MBIPỤTA** 12/19/2017
**VASHỌN:** 4

---

**EBUMNUCHE IWU:**

Memorial Hermann Health System ("MHHS") na-arụ ọrụ akụkụ Internal Revenue Code 501(c)(3) ụlọ-ọgwụ ndị na-agba odibo gbasaara mkpa ahụike nke Harris, Montgomery, Fort Bend na ọtụtụ obodo gbara ha okirikiri. MHHS nwere nkwekọrịta iweta uru ndị obodo n' ụdị enyemaka maka ego nyeere ndị enweghị ịnshọransị na ndị ịnshọransị ha ezughị, n'enweghị ịkpa-oke, ndị nwere mkpa mberede ma ọ bụ enyemaka ọgwụ dị mkpa, agbanyeghị ma onye ọrịa ahụ aga akwunwu ụgwọ.

Ebumnuche Iwu Enyemaka Maka Ego ("FAP") bụ iweta usoro ụzọ esi amata ma weta enyemaka maka ego nyeere ndị MHHS na-agbara odibo n'ime obodo ya.

**OGBA:**

FAP nke a metụtara ụlọ-ọgwụ niile nwetara ikikere steeti na-arụ ọrụ akụkụ 501(c)(3) ụlọ-ọgwụ MHHS, nke gụnyere:

Memorial Hermann Greater Heights Hospital
Memorial Hermann Katy Hospital
Memorial Hermann Memorial City Medical Center
Memorial Hermann – Texas Medical Center
- Memorial Hermann Cypress Hospital
- Memorial Hermann Orthopedic and Spine Hospital

Memorial Hermann Northeast Hospital
Memorial Hermann Rehabilitation Hospital Katy, L.L.C.
Memorial Hermann Southeast Hospital
- Memorial Hermann Pearland Hospital

Memorial Hermann Southwest Hospital
Memorial Hermann Sugar Land Hospital
Memorial Hermann The Woodlands Medical Center
TIRR Memorial Hermann

MHHS na-arụ ọrụ nnyocha ahụ nke ndị bịara ịnara ọgwụgwọ, ọgwụ maka ndị na-eme ihe egwuregwu na ụlọ-ọrụ ahụike maka mgbanwe omume, na ụlọ-ọrụ ahụike maka ihe mberede dịka mgbado-ukwu enyemaka, ngalaba ndị bịara ịnara ọgwụgwọ nke ihe ndị a edepụtara na mgbago ụlọ-ọgwụ, ma e kpuchiri ha na okpuru FAP nke a.

MHHS nakwa arụ ọrụ ụlọ nnyocha nke nchọpụta nke ekpuchiri na okpuru FAP nke a

**NKWUPỤTA IWU:**

1. Ọdinuudị ịba-uru nke obi ebere na ọrụ nlekọta MHHS nwere, ọ bụ iwu nke MHHS iwetara ndị ọrịa nọ na mkpa enyemaka maka ego. N'ịgannihu, ebumnuche nke FAP a bụ iweta ihe mgbakwasị ụkwụ nke enyemaka maka ego ga-anọ n'okpuru ya iji nye ndị ọrịa enyemaka maka ọnọdụ mberede ma ọ bụ nleta ahụike dị mkpa nke MHHS na eweta.

2. FAP nke a na-amata mbụrụna gasị dị kpọmkwem na usoro ndebanye n'okpuru nke MHHS ga-enye enyemaka maka ego nyeere ndị enweghị ike ikwuzu ụgwọ maka enyemaka enyere ha. Mata na ụfọdụ ndị mmadụ bụ ndị echeere erughị ịnweta enyemaka n'efu (hụ usoro akụkụ nke anọ).

3. FAP nke a metụtara ihe ọnọdụ mberede ma ọ bụ nleta ahụike dị mkpa niile enyere na ụlọ-ọgwụ MHHS. FAP nke a ejideghị ndị nleta ahụike na-anọghị n'ụlọ-ọgwụ ma ọ metụtaghị enyemaka nke dọkịta. Ịnwere ike ịchọta ndepụta ndị na-enye nleta n'ọnọdụ mberede ma ọ bụ nleta ahụike dị mkpa ndị ọzọ n'ụlọ-ọgwụ ndị ekpuchitere enyemaka ha dịka otu akụkụ n'ime FAP nke a, na ndepụta ndị nleta nke ekpuchiteghi enyemaka ha dịka otu akụkụ n'ime FAP nke a na weebụ anyị dị na: http://www.memorialhermann.org/financialassistanceprogram/. Akwụkwọ ndị ebipụtara ana enye n'efu dịkwa adị ma achọọ na ngalaba maka ọnọdụ mberede na ebe ndebanye aha n'ụlọ-ọgwụ. Akwụkwọ ndị ebipụtara ana enye n'efu dịkwa adị site na mailu ma ọ bụ site na ịkpọ (713) 338-5502 ma ọ bụ 1-800-526-2121, Nhọrọ nke 5.

4. FAP nke a na-akọwa mbụrụna gasị ndị MHHS na-eji agbakọ ego ole aga ewepu na enyemaka maka ego, ọ bụrụ na ọ dị, ihe ndị MHHS ga-eme iji kwusaa FAP nke a n'ime obodo ndị MHHS na-agbara odibo, usoro ndị MHHS jiri mepụta oruru maka enyemaka maka ego, na usoro ndebanye maka ịnweta enyemaka maka ego Ihe ndị MHHS nwere ike ime ma ọ bụrụ na akwụghị ụgwọ bụ ihe akọwara n'ime iwu edere iche, ndị MHHS Iwu ịgba-ụgwọ na nnakọta. Iwu nke a bụ ịhe enwere ike ibute na Weebụ ndị MHHS nke dị na: http://www.memorialhermann.org/financialassistanceprogram/, ma ọ bụ akwụkwọ ebipụtara ana enye n'efu nke dị adị na ngalaba maka ọnọdụ mberede na ebe ndebanye aha n'ụlọ-ọgwụ. Akwụkwọ ndị ebipụtara ana enye n'efu dịkwa adị site na mailu ma ọ bụ site na ịkpọ (713) 338-5502 ma ọ bụ 1-800-526-2121, Nhọrọ nke 5.

5. N'itozu-etozu maka ịnweta enyemaka maka ego, ndị ọrịa ga-ederịrị ma nyefee akwụkwọ ntinye maka ịnweta enyemaka maka ego (maka ndị ọrịa echeere na ha erughị eru) ya na akwụkwọ ọbụla achọrọ maka nkwado. Ntinye akwụkwọ

maka ịnweta enyemaka maka ego ga-agwucha n'ụbọchị agafeghị mkpụrụ ụbọchị 240 gara-aga n'oge ezigara akwụkwọ ịgba-ụgwọ mbụ maka ihe ndị iji maka ha arịọ enyemaka maka ego. Mwezuga nwere ike ịdị dịka esiri kọwaa n'ime usoro n'akụkụ nke 9. Ọ nweghị ihe dị na FAP nke a karịrịiwu ma ọ bụ iwu nchịkwa nke gọọmenti etiti, steeti ma ọ bụ obodo nke dị ire tata ma ọ bụ nke dị ire n'ọdịnihu.

6. Ego ole ọbụla onye ọrịa kwụfere akwụfe ka emechara mwetunata ego n'ime enyemaka maka ego bụ ihe aga akwuchiya maka usoro nleta niile ruru-eru.

7. Ikike ikpeazụ iji chọpụta ma ndị MHHS agbaala mbọ nwere isi iji chọpụta maka oruru banyere FAP dị n'aka ndị ụlọ-ọrụ nke MHHS n'ahụ maka ọdịmma ndị ọrịa. FAP nke a bụ maka iba-uru ndị obodo MHHS nke kwekọrịtara na ụkpụrụ nke obi ebere na ọrụ nlekọta. Ọdịdị FAP nke a apụtaghị ọnyịnye enyemaka maka ego nyeere onye ọrịa ọbụla kpọmkwem, ọnweghịkwa njikọtara nsukọ ma ọ bụ ọrụ dịịrị ya. Ndị MHHS nwere ike ịkwalite FAP n'ọdịnihu ma nweta nkwado nke ndị Bọọdụ ndị Nchịkwa ma ọ bụ nnọchiteanya ha n'oge naanị ha ma.

8. Iwu na usoro edepụtara ebe a bụ nke emere ka ọ dabanye n'iwu nchịkwa steeti Texas n'aka-nri nke akụkụ narị ise na otu nke Internal Revenue Code na nduzi ndị ọzọ metụtara ya.

**OKWU NA NKỌWA:**

1. *Ntinye akwụkwọ*: Nke a pụtara na ntinye akwụkwọ maka ịnweta enyemaka maka ego bụ onye ọrịa ga-ede ya.

2. *Oge ntinye akwụkwọ:* N'oge ntinye akwụkwọ, ndị MHHS ga-anabata ma hazie ntinye akwụkwọ ịnweta enyemaka maka ego. Oge ntinye akwụkwọ na ebido n'ụbọchị enyere onye ahụ nleta ma kwụsị ka mkpụrụ ụbọchị narị abụọ na iri anọ gachara ejiri weta akwụkwọ ịgba-ụgwọ nke mbụ maka nleta ahụ.

3. *Ego ole ana anata onye ọbụla (AGB)*: Ndị ọrịa ruru ịnweta enyemaka maka ego agaghị akwụ ụgwọ maka ihe ọnọdụ mberede ma ọ bụ nleta ahụike dị mkpa karịa ego ole be charged more for emergency or medical necessary care than the amounts ana anata (AGB) onye ọrịa ọbụla nwere ịnshọransị.

    a. Ana agbakọ pasentị AGB nke MHHS sitena iji usoro "nlechiya-azu", nke bụ mgbakọta ụgwọ ọrụ nleta ahụike ekwekọrịtara nke ejiri mgbakọ ụgwọ niile eji maka oge ọnwa iri na abụọ kewaa. Ego ewepuurụ ndị ọrịa ruru ịnweta enyemaka maka ego ga abụ ihe aga eji oke pasentị nke AGB mee ntule iji hụ na ndị ọrịa akwụghị karịa AGB.

    b. Enwere ike ịchọta AGB n'ime Ngosi A - Mgbakọta ego ole a nara n'ụgwọ nke FAP.

   c. Aga agbakọ pasentị AGB emeghariri emeghari kwa afọ ma tinye ya ka mkpụrụ ụbọchị narị otu na iri abụọ gachara ejiri bido afọ.

4. *Mkpakọta ụgwọ ọnwa ezinụlọ n'afọ*: Mgbakọ ụgwọ ọnwa na ego dị n'ezinụlọ n'afọ na-aba uru n'isi ihe niile tupu ụtụ, obere ụgwọ akwuru maka nkwado nwata, nke aga ekpesanwuru ndị ọrụ Internal Revenue nke obodo United States. Ụgwọ ọnwa ezinụlọ gụnyere ma ọkwụsịghị na, ego a kpatara, iti aka n'obi maka enweghị ọrụ, iti aka n'obi ndị ọrụ, Nchekwa ọha, ụgwọ ọnwa nchekwa ntụkwasị, enyemaka ọhaneze, ụgwọ ndị fere ala nna, uru onye anwụghị, ụgwọ ọnwa ndị lara ezumike nká, ọmụrụnwa, abamụrụ dị ukwuu, alimoni, nkwado nwata na, isi ihe ndị ọzọ.

5. *Ọrụ Nchịkwa*: Ọrụ ọgwụgwọ nsogbu nke na-achọghị nleruanya ngwa-ngwa. Ọrụ nchịkwa gụnyere usoro baara onye ọrịa uru, ma na ọ dịghị ngwa-ngwa ma gụnyere nleta ahụike dị mkpa ọrụ dị mkpa, dịka ịwa ahụ iji makwuo mma na ndozi eze emere naanị iji dịkwuo mma n'anya ma ọ bụ usoro ndị ọzọ ewepụtara nke adịghị n'okpuru ịnshọransị atụmatụ ahụike. Ọrụ ndị ewepụtara nke na-adịghị mkpa maka ahụike agaghị adị na enyemaka maka ego.

6. *Ọrụ mberede*: Enyemaka enyere onye ọrịa maka ahụ ọnwụnwụ nwere oké mgbaàmà nke tara nnukwu akpụ (gụnyere oké mgbu), nke na, adịghị-adị nleruanya ahụike ngwa-ngwa ga-enwe mpụtara aga atụanya nke ga etinye ndụ onye ahụ (ma ọ bụ banyere nwaanyị dị ime, nwaanyị n'onwe ya ma ọ bụ nwa o bu n'afọ) n'ime nnukwu nsogbu, ma ọ bụ kpata nnukwu mmerụ-ahụ na otu ahụ ya si arụ ọrụ, ma ọ bụ nsogbu arụghị ọrụ nke akụkụ ahụ ya ọbụla.

7. *Omume nnakọta pụrụ iche (ECAs)*: Omume nnakọta ndị a bụ ndị na-achọ usoro ụzọ iwu ma ọ bụ ikpe, ma nwekwaa ike ịgụnye mmemme ndị ọzọ dịka ịresị otu ọzọ ụgwọ eji ma ọ bụ ịkpesara otu ndị n'ebinye ego akụkọ ojoo. MHHS anaghị etinye aka n'ime ECAs, ma ọ bụ kwe ka ndị n'emere ha nnakọta tinye aka n'ime ECAs. Enwere ike ịchọta akụkọ ndị ọzọ gbasara iwu nnakọta ndị MHHS n'ime nke MHHS dị iche na MHHSIwu ịgba-ụgwọ na nnakọta; akwụkwọ gbasara iwu a ebipụtara ana enye n'efu dịkwa n'Ịntanet na: http://www.memorialhermann.org/financialassistanceprogram/ ma ọ bụ akwụkwọ ana enye n'efu ebipụtara nke dịkwa ma achọọ ya na ngalaba maka ọnọdụ mberede na ụlọ-ọgwụ n'ebe ndebanye aha ma ọ bụ site n'ịkpọ (713) 338-5502 ma ọ bụ 1-800-526-2121, Nhọrọ nke 5.

8. *Ezinụlọ:* Onye ọrịa, onye na-anụ onye ọrịa/onye ya na ya gbara akwụkwọ, nne na nna onye ọrịa ma ọ bụ ndị nledo-anya (ma ọ bụrụ na onye ọrịa bụ obere nwa), na ndị ndabere ọbụla etinyere na mwechiya ụtụ ụgwọ ọnwa onye ọrịa ma ọ bụ nne na nna, na ndị bi n'ụlọ onye ọrịa ma ọ bụ nne na nna ya ma ọ bụ n'ụlọ ndị na-eledo ya anya.

9. *Ukelarii ịda ogbenye gọọmenti etiti (“FPL”):* Ukelarii ụgwọ ọnwa nke eji ekwu na mmadụ nọ na ọnụnụ ịda ogbenye. Ukelarii ụgwọ ọnwa nke a gbara iche-iche dịka nhata-nha ezinụlọ siri dị. Ana edezi ukelarii ịda ogbenye kwa afọ na

ngalaba maka ahụike na ịhụ maka ndị mmadụ nke obodo United States ma bipụta ya na ndebanye akwụkwọ ndị Gọọmenti etiti. Maka ihi FAP nke a, ukelarii ịda ogbenye edepụtara n'ime ụkpụrụ nduzi ebipụtara na-egosi ụgwọ ọnwa niile ana akpata. Aga na-edezi FPL ejiri mee FAP nke a kwa afọ.

a. Aga achọta FPL ndị a n'imenke Ngosi B – Ụkpụrụ nhazi ịda ogbenye Gọọmenti etiti FAP ahụ.

10. *Enyemaka maka ego*: Enyemaka maka ego pụtara inye aka ndị MHHS na-enye ndị ọrịa ruru ụfọdụ mbụrụna gasị nke ego dịka esiri kọwaa ya na FAP iji nyere ha aka ịnweta ego dị mkpa iji kwụ ụgwọ nleta ahụike dị mkpa ma ọ bụ nleta ahụike dara mberede ndị MHHS na-enye n'ụlọ-ọgwụ. Oruru ndị ọrịa nwere ike ịgụnye ndị ọrịa n'enweghị ịnshọransị, ndị ọrịa ana akwụ obere ụgwọ ọnwa, na ndị ọrịa ahụ nwechaalụ mkpuchi ma ha enweghị ike ịkwụ ụfọdụ ụgwọ ma ọ bụ ụgwọ ụlọ-ọgwụ ndị ọzọ fọdụrụnụ.

11. *Nleta ahụike dị mkpa*: Inye-aka ma ọ bụ mbunye ana enye maka nchọpụta, nlekọta kpọmkwem, na ọgwụgwọ ọrịa, rụrụ ụkpụrụ nke ezigbo ọrụ ịgwọ-ọrịa n'ime obodo, bụ ihe ekpuchitere ma tulee na agwọm-oria dị mkpa sitena ihe omume ndị Medicare na Medicaid, mana ha abụghịkwa maka ntụsara ahụ nke onye ọrịa ma ọ bụ nke dọkịta. Inye ọgwụgwọ dị mkpa agụnyeghị ìwà ahụ iji makwuo mma ma ọ bụ ihe ndị ọzọ agbasaghị ọgwụgwọ, dịka mmekọrịta mmadụ, mmụta akwụkwọ ma ọ bụ ichi echichi.

12. *Nchịkọta asụsụ nkịtị (“PLS”):* Nchịkọta asụsụ nkiti nke FAP ndị MHHS gụnyere: (a) obere nkọwa gbasara ihe achọrọ maka oruru na enyemaka ana enye; (b) ndepụta weebụ na ebe aga enweta akwụkwọ ntinye maka ịnweta enyemaka maka ego ; (c) ntụziaka maka etu esi enweta akwụkwọ ebipụtara ana enye n'efu gbasara FAP nke a; (5) ihe eji akpọtụrụ maka enyemaka nke usoro ntinye akwụkwọ; (6) ọdịdị ntụgharị asụsụ nke FAP ahụ na akwụkwọ ndị metụtara ya; na (7) nkwupụta na-agba akaebe na ndị ọrịa achọpụtara na ha ruru ịnweta enyemaka maka ego agaghị akwụkarị ihe ndị ọzọ na-akwụ maka ọnọdụ mberede ma ọ bụ nleta ahụike dị mkpa.

13. *Oruru echere eche ma ọ bụ oruru ana eche eche*: Oruru ịnweta enyemaka maka ego ekpebiri sitena nrụtụaka nke mbụrụna gasị dị kpọmkwem nke emegoro ka ogosi mkpa ego n'akụkụ nke onye ọrịa n'enweghị ịnshọransị maka imecha ntinye akwụkwọ maka ịnweta enyemaka maka ego.

14. *Mbọ nwere isi*: Ndị MHHS ga-agba mbọ nwere isi iji gwa onye ọrịa maka FAP ndị MHHS sitena iwere nchịkọta asụsụ nkịtị nke FAP ahụ nye onye ọrịa tupu ọ hapụ ụlọ-ọgwụ. Na mgbakwunye, MHHS ga-eji usoro ndị a gwa ndị ọrịa maka FAP ndị MHHS:

a. *Ntinye akwụkwọ ezughị ezu*: Ọ bụrụ na onye ọrịa na/ma ọ bụ ezinụlọ ya eweta ntinye akwụkwọ ezughị ezu, ndị MHHS ga-eweta ngosi edere-ede iji kọwaa mgbakwunye ihe ọmụma ma ọ bụ akwụkwọ ndị dị

mkpa achọrọ.

b. *Ntinye akwụkwọ emechara emecha:* Ọ bụrụ na onye ọrịa na/ma ọ bụ otu onye n'ezinụlọ onye ọrịa nyefere ntinye akwụkwọ zuru ezu maka ịnweta enyemaka maka ego, MHHS ga-eweta ngosi edere-ede ga-ekwu ma onye ọrịa eruru ịnweta enyemaka maka ego n'ụzọ haziri ahazi ma degaara onye ọrịa akwụkwọ banyere nchọpụta (gụnyere, ma ọ bụrụ na ọkwesịrị, enyemaka ruru onye ọrịa) na mgbado ụkwụ nchọpụta a. Ngosi nke a ga-agunyekwa pasentị ole enyemaka maka ego pụtara (maka ntinye akwụkwọ enyere nkwado) ma ọ bụ ihe mere na ekwetaghị, na ụgwọ ana atụ anya n'aka onye ọrịa ahụ na/ma ọ bụ ezinụlọ ya n'ebe ọkwesịrị. Onye ọrịa na/ma ọ bụ ezinụlọ ya ga na-enweta akwụkwọ ndepụta n'oge ana enyocha ntinye akwụkwọ zuru ezu.

c. *Akwụkwọ ndepụta nke onye ọrịa:* MHHS ga-eziga akwụkwọ ndepụta gasị na-akọwa akaụntụ na ego ole onye ọrịa ji. Akwụkwọ ndepụta onye ọrịa ga-enwe ihe edere na ọ bụ ọrụ dịịrị onye ọrịa ịgwa ndị MHHS maka mkpuchite nke ịnshọransị ahụike ọbụla dịnụ, akwụkwọ ngosi maka FAP nke MHHS, akara ekwentị iji rịọta enyemaka maka ego, na adreesị weebụ ebe aga enweta akwụkwọ FAP.

d. *Weebụ ndị MHHS:* Weebụ ndị MHHS ga-ebipụta ngosi n'ebe pụtara apụta na ịnweta enyemaka maka ego dị, ya na nkọwa maka usoro ntinye akwụkwọ enyemaka maka ego. Ndị MHHS ga-ebipụta FAP na ndepụta ndị mweta ekpuchiri na ndị ekpuchighi n'okpuru FAP, nchịkọta asụsụ nkịtị, ntinye akwụkwọ ịnweta enyemaka maka ego, na Ịgba-ụgwọ na Iwu nnakọta dị na weebụ ndị MHHS: http://www.memorialhermann.org/financialassistanceprogram/. MHHS ga-enwe akwụkwọ ndị a ebipụtara ana enye n'efu nke ga-adị ma achọọ ya na ngalaba maka ọnọdụ mberede na ebe ndebanye aha.

15. *Onye ọrịa ịnshọransị ya ezughị ezu:* Onye ọrịa enyere mkpuchi zuru ezu ma ọ bụ ọkara n'okpuru iwu nke ịnshọransị, onye maka n'ihi na ọ na-enweta nleta n'ọnọdụ mberede ma ọ bụ nleta ahụike dị mkpa, nwere ego adịghị na akpa nke karịrị enwemike ha ịkwụtọpụ ego fọdụrụnụ maka nleta ha nwetara.

16. *Onye ọrịa enweghị ịnshọransị:* Onye ọrịa enyeghị mkpuchi zuru ezu ma ọ bụ ọkara n'okpuru iwu nke ịnshọransị ahụike ma na ọ bụghịkwa onye na-erita uru n'okpuru ịnshọransị nke ọha ma ọ bụ nke onwe, uru ahụike, ma ọ bụ ihe omume ahụike ndị ọzọ (gụnyere, ma akwụsịghị na, ịnshọransị nke onwe, Medicare, ma ọ bụ Medicaid, ma ọ bụ Crime Victims) na ndị mmerụ ahụ ha adịghị n'ime iti aka n'obi ndị ọrụ, ịnshọransị nke ụgbọala, ma ọ bụ nsogbu ibu ma ọ bụ ịnshọransị ọzọ, dịka ndị MHHS siri nwee mkpebi nke gbadoro ukwu n'akwụkwọ na ihe ọmụma onye ọrịa wetara ma ọ bụ nke ewetara na ebe ndị ọzọ, maka ịkwụ ụgwọ nleta ahụike ndị MHHS wetara.

**MBỤRỤNA NTULE:**

1. *Nkwurịtaokwu:* Iji mee ka ndị ọrịa anyị, ndị ezinụlọ, na ubara ndị obodo mara maka ọdịdị nke ịnweta enyemaka maka ego, ndị MHHS ga ewere ọgụ ole na ole usoro iji gwa ndị ọrịa na ndị ọbịa ụlọ-ọgwụ ha gbasara ọdịdị ịnweta enyemaka maka ego, ma kwusaa FAP nkea na ọhaneze ịgwa ndị otu ọhaneze sara mbara ana ejere ozi n'ụlọ-ọgwụ ọbụla. Usoro ndị a gụnyere:

    a. *Nkwenye onye ọrịa:* Nkwenye nleta ahụike ebinyere aka ka edebanyechara aha maka ọrụ nleta ahụike nke gụnyere ndepụta edere na ọ bụrụ na achọrọ ọrụ ebere, aga ekwu ka emee nchọpụta maka oruru ka anabatara ya n'ụlọ-ọgwụ ma ọ bụ ka enwetara akwụkwọ ndepụta ụgwọ eji-eji.

    b. *Ndụmọdụ maka ihe gbasara ego:* Ana agwa ndị ọrịa ndị MHHS ka ha chọọ ihe ọmụma/ozi sitere n'aka onye ndụmọdụ n'ihe gbasara ego nke ụlọ-ọgwụ ma ọ bụrụ na ha na ahuta ihe isi-ike n'ikwu ụgwọ ha ji ụlọ-ọgwụ n'akụkụ nke ha. Ndị na-enye ndụmọdụ maka ego nke anyị ga-agba mbọ hụ na ha nyere aka nye ndị ọrịa ndị n'enweghị ịnshọransị, ndị ịnshọransị ha erughị eru, ma ọ bụ ndị na-ahụ nsogbu gbasara ego ndị ọzọ nke sonyere ịkwụ-ụgwọ maka ọrụ ahụike anyị wetara. Ndị ndụmọdụ gbasara ego nwere ike inyocha ndị ọrịa maka oruru ụfọdụ mmemme gọọmenti na akwado, inye-aka na iti aka n'obi onye ọrụ ma ọ bụ nsogbu ibu, ịwepụta atụmatụ ịkwụ-ụgwọ ogologo oge, ma ọ bụ inyere ndị ọrịa aka itinye akwụkwọ maka ịnweta enyemaka maka ego.

    c. *Nchịkọta asụsụ nkịtị na ntinye akwụkwọ:* Akwụkwọ ebipụtara maka nchịkọta asụsụ nkịtị nke FAP ndị MHHS na akwụkwọ ebipụtara maka ntinye akwụkwọ ịnweta enyemaka maka ego ga-abụ ihe ga-adị adị maka ndị ọrịa n'oge kachasị mma nke oge ọrụ MHHS ga-enwe akwụkwọ ndị a ebipụtara ana enye n'efu nke ga-adị ma achọọ ya na ngalaba maka ọnọdụ mberede na ebe ndebanye aha. Akwụkwọ ndị ebipụtara ana enye n'efu dịkwa adị site na mailu ma ọ bụ sitena ịkpọ 713-338-5502 ma ọ bụ 1-800-526-2121, Nhọrọ nke 5.

    d. *Akwụkwọ ebipụtara emere ntụgharị asụsụ dị adị:* Ndị MHHS na-eme ntụgharị asụsụ FAP ha, Nchịkọta asụsụ nkịtị, Ntinye akwụkwọ ịnweta enyemaka maka ego, Ịgba-ụgwọ na Nnakọta Iwu na maka ụfọdụ ndị mmadụ na-asụ Oyibo nke ọma na-anọchite anya obere pasentị ise(5%) ma ọ bụ otu puku ndị mmadụ n'ime obodo ndị ụlọ-ọgwụ ha na-agbara odibo. Ndị MHHS ga-ebipụta akwụkwọ ndị a aga enye n'efu dị adị na weebụ ndị MHHS na ma achọọ ya na ngalaba maka ọnọdụ mberede ya na ebe ndebanye aha n'ụlọ-ọgwụ. Akwụkwọ ndị ebipụtara ana enye n'efu dịkwa adị site na mailu ma ọ bụ site na ịkpọ 713-338-5502 or 1-800-526-2121, Nhọrọ nke 5.

e. *Mbinye-aka:* Mbinye-aka niile maka ịnweta enyemaka maka ego ga-abụ ihe aga eji ihe doro anya na nke ekpuchighi ekpuchi wee bie n'ebe niile ndị ọhaneze ga na-ahụ ya, nke gụnyere, ma ọkwụsịghị na, ebe ndebanye aha onye ọrịa na ngalaba maka ọnọdụ mberede ndị MHHS. ebe. Mbinye aka ga-egosi na ịnweta enyemaka maka ego dị adị ya na akara ekwentị aga eji nweta onye ndụmọdụ gbasara ego maka izi ozi na ihe ndị ọmụma ndị ọzọ.

f. *Weebụ:* Weebụ ndị MHHS ga-ebipụta ngosi n'ebe pụtara apụta na ịnweta enyemaka maka ego dị, ya na nkọwa maka usoro ntinye akwụkwọ enyemaka maka ego. Ndị MHHS ga-ebipụta FAP ha ya na ndepụta ndị ọrụ nleta ekpuchiri na ndị ekpuchighi n'okpuru FAP nke a, Nchịkọta asụsụ nkịtị, Ntinye akwụkwọ nweta enyemaka maka ego, ya Ịgba-ụgwọ na Iwu nnakọta na dị na weebụ ndị MHHS: http://www.memorialhermann.org/financialassistanceprogram/

g. *Akwụkwọ ndepụta maka ụgwọ onye ọrịa ji*: Akwụkwọ ndepụta onye ọrịa ga-enwe ebe edere na ọ bụ ọrụ dịịrị onye ọrịa ịgwa ndị MHHS maka mkpuchi ịnshọransị ahụike ọbụla dịnụ; ọ ga enwekwa mbipụta FAP ndị MHHS, akara ekwentị iji rịọ maka ịnweta enyemaka maka ego, na adreesị weebụ ebe aga enwetanwu akwụkwọ maka inweta enyemaka maka ego.

h. *Mailu ma ọ bụ Fax:* Ndị ọrịa nwere ike iziga Mailu ma ọ bụ Fax nke akwụkwọ arịrịọ edere ede maka akwụkwọ ndị a ebipụtara ana enye n'efu na adreesị a dị n'okpuru nke gụnyere aha onye ahụ zuru ezu na adreesị ọ ji enweta mailu nke ha chọrọ ka ndị MHHS jiri zigara ha akwụkwọ mbipụta ndị ahụ.

Memorial Hermann Health System
Attn: Financial Assistance
909 Frostwood
Suite 3:100
Houston, Texas 77024
FAX: 713-338-6500

2. *Nchọpụta Oruru:* Ana achọpụta enyemaka maka ego sitena usoro gụnyere nnyocha mkpa ego mmadụ nwere. A kọwara usoro ndị a n'okpuru:

    a. Nchọpụta oruru echeere echeere bụ ihe a ga-eji mbụrụna gasị a kọwara n'usoro dị n'akụkụ nke anọ dị n'okpuru mee. Ọ bụrụ na onye ọrịa nwere oruru echere eche maka ịnweta enyemaka maka ego, ọ nweghị ihe eji ntinye akwụkwọ maka ịnweta enyemaka maka ego eme. Etu o si na dị, elere anya na onye ọrịa ma ọ bụ onye akaebe ga-eme usoro nnyocha ma weta ihe ọmụma gbasara onwe ha ma ọ bụ ihe gbasara ego ya na akwụkwọ ndị dị mkpa na ime nchọpụta oruru echere eche;

b. Usoro ntinye akwụkwọ ịnweta enyemaka maka ego, nke atụrụ anya na onye ọrịa ma ọ bụ onye akaebe ga-esonye ma nye ihe ọmụma gbasara onwe ha ma ọ bụ ihe gbasara ego ya na akwụkwọ ndị dị mkpa na ime nchọpụta maka mkpa gbasara ego;

c. Ndị MHHS ga-agba mbọ nwere isi iji chọpụta ma mmadụ eruru FAP iji gụnye ịgwa onye ọrịa ahụ maka FAP ndị MHHS na nchịkọta asụsụ nkịtị tupu ọ hapụ ụlọ-ọgwụ. Na mgbakwunye, MHHS ga-eji usoro ndị a gwa ndị ọrịa maka FAP ndị MHHS:

    i. *Ntinye akwụkwọ ezughị ezu:* Ọ bụrụ na onye ọrịa na/ma ọ bụ ezinụlọ ya nyefere ntinye akwụkwọ ezughi ezu, ndị MHHS ga-eweta ngosi edere ede nke na-akọwa ozi ma ọ bụ akwụkwọ ndị dị mkpa achọrọ n'ime mkpụrụ ụbọchị iri anọ na ise (45) eji nweta ntinye akwụkwọ izizi.
    ii. *Akwụkwọ ndepụta nke onye ọrịa:* Akwụkwọ ndepụta onye ọrịa ga-enwe ndepụta na ọ dịrị onye ọrịa ịgwa ndị MHHS maka ọdịdị mkpuchi ịnshọransị ahụike ma nwekwaa ngosi maka FAP ndị MHHS, akara ekwentị iji rịọta enyemaka maka ego, na weebụ adreesị ebe enwere ike ịnweta akwụkwọ FAP.
    iii. *Weebụ ndị MHHS:* Weebụ ndị MHHS ga-ebipụta ngosi n'ebe pụtara apụta na ịnweta enyemaka maka ego dị, ya na nkọwa maka usoro ntinye akwụkwọ enyemaka maka ego. usoro ntinye akwụkwọ maka ịnweta enyemaka maka ego. Na MHHS weebụ: http://www.memorialhermann.org/financialassistanceprogram/, ndị MHHS ga-ebipụta FAP ha nke ga-enwe ndepụta ndị ọrụ nleta ekpuchiri na ndị ekpuchighi n'okpuru FAP ahụ, Nchịkọta asụsụ nkịtị, ntinye akwụkwọ ịnweta enyemaka maka ego, na Ịgba-ụgwọ naIwu Nnakọta.
    iv. *Akwụkwọ ndị dị adị ma achọọ*: Ndị MHHS ga-enwe akwụkwọ ebipụtara ana enye n'efu maka FAP ha nke nwere ndepụta ndị nleta ekpuchiri na ndị ekpuchighi n'okpuru FAP ahụ, Nchịkọta asụsụ nkịtị, Ntinye akwụkwọ ịnweta enyemaka maka ego, na Ịgba-ụgwọ na Nnakọta Iwu  dị adị ma achọọ n'ime ngalaba maka ọnọdụ mberede na ebe ndebanye aha.

d. Iji ihe ọmụma dị maka ndị ọhaneze nye ozi banyere inwe ike onye ọrịa ma ọ bụ onye akaebe ịkwụ-ụgwọ nke gụnyere ụgwọ o ji site na TransUnion ma ọ bụ Experian;

e. Ntule akaụntụ onye ọrịa bụ ọpuru iche maka enyemaka ndị gara-aga enyere ya na MHHS na ndekọ ụgwọ onye ọrịa kwuru ma ọ bụ ajọ ụgwọ oji eji;

f. Ukelarii gasị enwere na enyemaka maka ego MHHS na-enye gbadoro ukwu na ụgwọ ọnwa, nha ezinụlọ, na FPL. Ma ndị ọrịa nwere

ịnshọransị ma ndị enweghị nwere ike itinye akwụkwọ maka enyemaka maka ego; na

g. Irú eru onye ọrịa maka ịnweta enyemaka maka ego nke ga-agbado ukwu na mbụrụna dị n'okpuru ma nwee ike ịdị iche site n'ọnọdụ ego nke onye ọrịa, n'ịgụpụ ihe mere ọnọdụ ego na ọdịdị ihe nke atọ bụ uru nleta ahụike. Aga na-emegharị ụkpụrụ nduzi oruru kwa afọ ka ndị gọọmenti etiti bipụtachara ụkpụrụ nduzi FPL. Ndị ezinụlọ nwere ụgwọ ọnwa gafere ụkpụrụ nduzi edere n'okpuru nwere ike ịga maka nnyocha maka nlezianya atụmatụ ịkwụ-ụgwọ.

3. *Oruru nweta enyemaka maka ego nke onye ọrịa:* N'igbado ukwu na FPL, mbụrụna ndị a ka aga eji mara mwepụ ego aga enye ndị ọrịa n'enweghị ịnshọransị na ndị ịnshọransị ha erughị eru, ndị nke tozuru ịnweta enyemaka maka ego. Ndị ọrịa ịnshọransị ha erughị eru ga ekwerịrị ka agbaa ndị ịnshọransị ha ụgwọ tupu ha etozuo maka ọrụ ebere. Ego ewepuurụ ndị ọrịa ruru ịnweta enyemaka maka ego ga abụ ihe aga eji oke pasentị nke AGB mee ntule iji hụ na ndị ọrịa akwụghị karịa AGB.

   a. **Nleta enyere n'efu:**

      i. Ọ bụrụ na mgbakọta ụgwọ ọnwa onye ọrịa nke n'enweghị ịnshọransị kwa afọ pụtara ma ọ bụ pekarịa pasentị narị abụọ (200%) nke ụkpụrụ nhazi ịda ogbenye gọọmenti etiti wepụtara nso-nso a, dịka esiri dee ya n'ime Tabulu maka oruru mgbakọta ụgwọ ọnwa maka ịnweta enyemaka maka ego (Ngosi A - Mgbakọta ego ole a nara n'ụgwọMgbakọ), onye ọrịa (ma ọ bụ onye ọzọ ọ dịrị) ga-enweta nleta enyere n'efu (ewepụrụ ego kpamkpam) ọ gaghịkwa eji ụgwọ ọbụla na akaụntụ.
      ii. Ndị ọrịa nwere mkpuchi nleta ahụike mbụ sitere na Medicare ma tozuo ịnweta mkpuchi nke abụọ sitere na Medicaid ga-enweta mwepụ ego pasentị otu narị (100%) n'ego ọbụla fọdụrụnụ ka agbachara ndị Medicaid ụgwọ ma nwetakwa nzọta ikpe sitere n'aka THMP ma ọ bụ ọkwụ-ụgwọ kabara ahụ nke Medicaid.

   b. **Nleta ewepụrụ ego:**

      i. Ndị ọrịa/ndị mmadụ nke mgbakọta ụgwọ ọnwa ezinụlọ kwa afọ gafere pasentị narị abụọ (200%) mana ọ gafeghị pasentị narị anọ (400%) nke ụkpụrụ nhazi ịda ogbenye gọọmenti etiti wepụtara nso-nso a nwere ike iru ịnweta mwepụ ego n'ime ego ole ana anata onye ọbụla (AGB) iji tinye ndị ọrịa na ịnshọransị.
      ii. Ndị ọrịa nwere ụgwọ ha ji ụlọ-ọgwụ nwere ike iru ịnweta mwepụ ego ma ọ bụrụ na o mezuru mbụrụna ndị a: 1) ego fọdụrụnụ gafere pasentị iri (10%) nke mgbakọta ụgwọ ọnwa ezinụlọ mmadụ kwa afọ; 2) ha enweghị ike

ịkwụcha ụgwọ niile ma ọ bụ otu akụkụ n'ime ego fọdụrụ n'ụgwọ; na 3) ụgwọ fọdụrụnụ bụ ọ pekata mpe dollar puku ise. N'okpuru ọnọdụ ndị a, atụrụ anya na onye ọrịa ma ọ bụ onye akaebe ga-esonye na usoro FAP na eweta ihe ọmụma nke onwe ma ọ bụ nke gbasara ego ya na akwụkwọ ndị dị mkpa iji mee nchọpụta maka oruru. Enye nkwado, onye ọrịa ahụ ga ga na-akwụ ihe akarịghị pasentị iri (10%) nke mgbakọta ụgwọ ọnwa ezinụlọ kwa afọ maka ụgwọ eji fọdụrụnụ ma ọ bụ aga etinye mwepụ ego AGB, nke ọbụla pekarịrịnu ma ka baara onye ọrịa uru n'ọnọdụ ego ọ nọ.

4. *Oruru echeere echeere*: Enwere ike ịchọpụta oruru ndị ọrịa n'enweghị ịnshọransị maka ịnweta enyemaka maka ego nke gbadoro ukwu na ọdịdị otu n'ime mbụrụna edepụtara n'okpuru. Ka emepụtachara ọ pekata mpe otu mbụrụna, ọ nwezịghị ihe akaebe ọzọ maka ụgwọ ọnwa aga ajụ maka ya. Ihe ndepụta dị n'okpuru bụ nnọchiteanya maka ihe ndị ga-eme na ụgwọ ọnwa ezinụlọ onye ọrịa pekarịrị ugboro abụọ nke FPL ma onye ọrịa ahụ ruru mwepụ pasentị otu narị (100%) nke ego nleta ahụike dị mkpa. Nnyocha oruru echere eche maka onye ọrịa n'enweghị ịnshọransị ga-abụ ihe aga emecha ozugbo o kwere omume ka ọ natachara nleta ahụike dị mkpa na tupu enye akwụkwọ ụgwọ ọbụla maka nleta ndị a. Mgbe agwara maka ọkwa oruru echeere echeere dịnụ, ndị MHHS ga-ejide akwụkwọ ndepụta onye ọrịa ọbụla mkpụrụ ụbọchị iri atọ n'oge mmecha usoro ntule oruru echeere echeere. Ndị ọrịa nwere ịnshọransị onye nke atọ (nke na-abụghị mmemme steeti ma ọ bụ ime obodo dịka Medicaid) agaghị enweta ọhere maka oruru echeere echeere, aga atụkwa anya ka ha tinye akwụkwọ maka ịnweta enyemaka maka ego.

   a. Ndị ọrịa enweghị ịnshọransị mezuru mbụrụna ndị a ga-enweta ohere maka oruru echeere echeere nke mwepụ ego pasentị otu narị maka ụgwọ nleta n'ọnọdụ mberede ma ọ bụ nleta ahụike dị mkpa:

      i. Enweghị ebe obibi ma ọ bụ ịnweta nleta n'ụlọ-ogwu ndị enweghị ebe obibi;
      ii. Nsonye n'ime mmemme maka ụmụ nwanyị, ndị amụrụ ọhụrụ na ụmụ aka (WIC);
      iii. Oruru stampụ nri:
      iv. Mmemme enyemaka maka mgbakwunye ihe oriri na-edozi ahụ;
      v. Oruru maka mmemme gasị ndị ọzọ maka ịnweta enyemaka nke steeti ma ọ bụ ime obodo (ịmaatụ, ọdịda-mepụta ndị Medicaid);
      vi. A na-enye ụlọ ebe obibi na-adịghị oke ọnụ/ewetunatalụ ego ya dịka adreesị nwere isi;
      vii. Akwụkwọ nweta ego enyemaka maka nleta ahuike;
      viii. Onye uche ya ezughị ezu nke n'enweghị onye ga-anọchi anya onye ọrịa;
      ix. Ego ọkịkọ nke onwe dị ugbu a;
      x. Mkpọchi n'ulo-nga

xi. Onye ọrịa nwụrụ anwụ n'enweghị ọtụtụ ụlọ ama-ama; ma ọ bụ
xii. Dịka nlereanya ngụkọ elektrọnik sịrị chọpụta (akọwara n'okpuru).

b. **Nlereanya ngụkọ elektrọnik:** Mgbe onye ọrịa ma ọ bụ onye akaebe n'enweghị ịnshọransị emechaghị ntinye nke FAP ma ọ bụ enwetaghị ndekọ akwụkwọ maka ego dị mkpa maka ịchọpụta oruru, enwere ike ime akaụntụ ahụ nnyocha site n'iji nlereanya ngụkọ elektrọnik (ESM) ga-enweta ọtụtụ ngụkọ gbadoro ụkwụ na mbụrụna nke gụnyere ọkwa ọnọdụ ego, nweta enyemaka ebere gara-aga ndozi, ọrụ, koodu mpaghara, afọ ole ọgbara, ndekọ ịkwụ-ụgwọ, ajọ ụgwọ ejibu eji, ihe fọdụrụnụ na akaụntụ, na ebe esi nabata. Ọ bụrụ na ngụkọta ESM na-egosi nnukwu ihe pụrụ omume na akaụntụ ahụ ga-etozu maka FAP nke ahụ, akaụntụ n'enweghị ịnshọransị ga-enweta mwepụ ego nke FAP echere eche dịka FAP nke a siri dị.

5. *Oge usoro ihe omume nke oruru:*

   a. Maka ndị ọrịa n'enweghị ịnshọransị, nchọpụta emere maka enyemaka maka ego na oruru echeere echeere ga-adị ire n'oge maka ịkwụ-ụgwọ onwe niile fọdụrụnụ dị oghere ya na ụdị nleta ahụike dị ugbu a. A ga-achọpụta oruru onye ọrịa site n'iji ihe ndị edepụtara na usoro n'akuku nke atọ ma ọ gaghị enwe ọghọm maka ịkwụ-ụgwọ ozugbo ma ọ bụ n'oge. Na mgbakwunye, maka onye ọrịa mechara ntinye akwụkwọ enyemaka maka ego ga-enweta mgbakwunye enyemaka maka ego ruo ọnwa isii n'enweghị ihe omume ọbụla achọrọ n'aka onye ọrịa. Onye ọrịa ga-eme ka ndị MHHS mara maka mgbanwe ọbụla n'ọnọdụ ego onye ọrịa ahụ nke mere n'oge ọnwa isii (6) nwere ike ịmetụta oruru ịnweta enyemaka maka ego aga ekpebi n'ime mkpụrụ ụbọchị iri atọ (30) nke mgbanwe ahụ. Enweghị ike nke onye ọrịa ikwupụta agamnihu nke ụgwọ ọnwa ezinụlọ nwere ike imebi nweta enyemaka maka ego ọbụla nke ndị MHHS ka agamnihu ahụ mechara.

6. *Nleta n'ọnọdụ mberede ma ọ bụ nleta ahụike dị mkpa:* Enyemaka maka ego kwụsịrị na nleta n'ọnọdụ mberede ma ọ bụ nleta ahụike dị mkpa a na-enye n'ụlọ-ọgwụ. Enweghị ihe dị na akuku a emere ka ọ gbanwee ọrụ dịịrị ndị MHHS ma ọ bụ omume ha na-eso iwu gọọmenti etiti na steeti iji sọpụrụ ọgwụgwọ ọrịa mberede n'eleghị anya na ịnwe ike nke onye ọrịa n'ịkwu-ụgwọ.

7. *Usoro ntinye akwụkwọ*

   a. Etu esi etinye akwụkwọ: A ga-edejuputa akwụkwọ ntinye ịnweta enyemaka maka ego ma ziga, ya na akwụkwọ ndị ọzọ na-eso ya. Akwụkwọ ebipụtara ana enye n'efu maka ntinye akwụkwọ ga-adị maka mbudata n'ime weebụ ndị MHHS dị na: http://www.memorialhermann.org/financialassistanceprogram/. Akwụkwọ ebipụtara ana enye n'efu dịkwa na ngalaba maka ọnọdụ mberede na ebe

ndebanye akwụkwọ n'ụlọ-ọgwụ. Akwụkwọ ndị ebipụtara ana enye n'efu dịkwa adị site na mailu ma ọ bụ sitena ịkpọ 713-338-5502 ma ọ bụ 1-800-526-2121, Nhọrọ nke 5.

b. Ndị na-etinye akwụkwọ nwere ike iziga ntinye akwụkwọ edejuru edeju na akwụkwọ ndị ọzọ na-eso ya na nke onye ndụmọdụ maka ego nke ụlọ-ọgwụ ma ọ bụ ziga ha na adreesị mailu edepụtara n'okpuru. Ndị ọrịa nwere ike ịchọta onye ndụmọdụ maka ego nke ụlọ-ọgwụ site n'ije na oche ndị ozi ma sị ha na ị chọrọ ka gị na onye ndụmọdụ maka ego kwuo. Maka ajụjụ banyere usoro ntinye akwụkwọ, enyemaka n'idejupụta ntinye akwụkwọ, ma ọ bụ ịlele ọnọdụ ntinye akwụkwọ nke ezigara, ndị ndụmọdụ maka ego nke ụlọ-ọgwụ dị iji nyere mmadụ aka n'ụlọ-ọgwụ ma ọ bụ ịnwere ike ịkpọ 713-338-5502 ma ọ bụ 1-800-526-2121, Nhọrọ nke 5.

c. Ebe aga eziga ntinye akwụkwọ edejuru edeju:

Memorial Hermann Health System
Attn: Financial Assistance
909 Frostwood
Suite 3:100
Houston, Texas 77024

-MA Ọ BỤ-

FAX: 713-338-6500

d. Arịrịọ maka ịbanye na enyemaka maka ego ma ọ bụ oruru echeere echeere nwere ike ịbụ onye ọbụla n'ime ndị a ga ebido ya n'ime oge ntinye akwụkwọ: (i) onye ọrịa ma ọ bụ onye akaebe; (ii) onye nnọchiteanya onye ọrịa ma ọ bụ onye akaebe; (iii) onye nnọchiteanya MHHS n'aha onye ọrịa/ntinye akwụkwọ; ma ọ bụ (iv) dọkịta na-elekọta onye ọrịa.

e. N'agbanyeghị ihe ntule ndị edepụtara ebe ọzọ na FAP nke a, ọ bụ ọrụ dịịrị onye ọrịa ịkwenye ma sonye nke ọma na usoro ntinye akwụkwọ ịnweta enyemaka maka ego. Nke a gụnyere iweta ozi banyere mkpuchi ahụike ọzọ dịnụ; iweta na ụzọ ziri ezi akwụkwọ niile na asambodo gasị achọrọ n'itinye akwụkwọ maka ịnweta enyemaka maka ego sitere na gọọmenti ma ọ bụ ihe mmemme ndị ọzọ (ịmaatụ, Medicare, Medicaid, nsogbu ibu ndị ọzọ, Crime Victims, wee dịrị gaba.) ma ọ bụ ịchọpụta oruru nke onye ọrịa maka ịnweta enyemaka maka ego ndị ọzọ. Emeghị nke a nwere ike imetụta ntule maka ntinye akwụkwọ ịnweta enyemaka maka ego nke onye ọrịa. A gwara ndị ọrịa ka ha weta ihe ọmụma, asambodo na akwụkwọ ndị ọzọ n'ime mkpụrụ ụbọchị iri atọ (30) nke arịrịọ ndị MHHS beelụ sọ má enwere ọnọdụ pụrụ iche adọtara n'uche ndị MHHS. Beelụ sọ na okwu banyere oruru echere eche, ntinye akwụkwọ maka ịnweta enyemaka maka ego ga-abụrịrị ihe onye ọrịa (ma ọ bụ onye akaebe/onye

nnọchiteanya) dejupụtara ma binye aka.

f. Onye ndụmọdụ maka ego nwere ike ịnyere onye na-etinye akwụkwọ aka n'usoro eji etinye akwụkwọ maka ịnweta enyemaka maka ego. Ọ bụrụ na onye ọrịa nwụrụ anwụ ma enweghị onye ọzọ ahụrụ, onye nnọchiteanya ndị MHHS nwere ike imepụta arịrịọ ahụ ma dejupụta ntinye akwụkwọ ahụ site n'iji ihe ọmụma na akwụkwọ dịnụ.

8. *Ụgwọ ọnwa ezinụlọ:*

a. Onye ọrịa nwere ike iweta otu ma ọ bụ karịa akwụkwọ ndị a iji mepụta ụgwọ ọnwa ezinụlọ, ọ bụrụ na ụdị akwụkwọ ahụ dị. Ọ bụrụ na enwere karịa otu onye n'arụ ọrụ na ezinụlọ onye ọrịa, onye ọbụla ga ewetarịrị otu ma ọ bụ karịa akwụkwọ ndị a dị n'okpuru:

i. Ụtụ isi ụgwọ ọnwa nke gọọmenti etiti akwuru nso-nso a;
ii. Fọm W-2 na1099 nke ka dị nso;
iii. Akwụkwọ ndepụta etu esi kwụ ụgwọ ka dị nsọ (ma ọ bụ, ọ bụrụ na okwesịrị, akwụkwọ ngosi enweghị ọrụ, akwụkwọ nchekwa obodo, wee dịrị gaba.);
iv. Ndeta akwụkwọ sitere na onye ị na-arụrụ ọrụ ma ọ bụrụ na ana akwụ gị ụgwọ n'aka; ma ọ bụ
v. Ihe ịgba-akaebe ndị ọzọ sitere n'aka ndị ọzọ banyere ụgwọ ọnwa ezinụlọ.

b. Agaghị ekwu na ntinye akwụkwọ maka ịnweta enyemaka maka ego ezughị ezu n'ihi enweghị ike nke iweta akwụkwọ gasị, ma ọ bụrụ na onye ọrịa wetara ọbụnagodu otu n'ime akwụkwọ ndị na-egosi ụgwọ ọnwa onye ọbụla nọ n'ezinụlọ (gụnyere onye ọrịa) edepụtara na mgbago ma binyekwa aka na asambodo, ma ọ bụ na ọnọdụ nke onye ọrịa enweghị ike iweta ụdị akwụkwọ ahụ, nke binyegoro aka na asambodo.

c. Beelụ sọ na okwu nke oruru echere eche, onye tinyere akwụkwọ ga ebinyeriri aka na ntinye akwụkwọ asambodo. Ndị MHHS nwere ike ịwelụkwa ma ọ bụ gbanwee owuwe ma ọ bụrụ na ihe akaebe mechara gosi na onye tinyere akwụkwọ dere ma weta ihe abụghị eziokwu.

Akwụkwọ mgbakwunye: FAP ndị MHHS anaghị achọ akwụkwọ banyere mgbali ego na akụ n'ụba. Etu o si na dị, ndị tinyere akwụkwọ nwere ike ikwu ka eweta akwụkwọ mgbakwunye banyere akụ n'ụba, mgbali ego, ụgwọ ọnwa, ụgwọ eji eji ma ọ bụ ọnọdụ ndị ọzọ nke ga-egosi ihe isi ike maka ego iji kwado arịrịọ maka ịnweta enyemaka maka ego nke haruru ka ma ọ bụ karịa ole ruru ha ịnweta na FAP nke a.

9. *Ozi asị na ihe ọmụma nghọrị*: Ọ bụrụ na-achọpụta na onye tinyere akwụkwọ ma ụma wee nye ozi asị na ihe ọmụma nghọrị banyere enwemike ịkwụ-ụgwọ ụlọ-ọgwụ ha, ndị MHHS nwere ike ịnagha onye ahụ tinyere akwụkwọ itinye

akwụkwọ ugbu a na ọdịnihu. N'okwu banyere ozi asị ewetara n'ihi enweghịezi okwukwe, ndị MHHS ga-agbado owuwe ha ukwu na ozi edeghariri edeghari. Ọ bụrụ na enyela enyemaka maka ego nke gbadoro ụkwụ na ozi asị onye ọrịa ma ụma wee nye, ndị MHHS nwere ike imebi ego mbụ enyere ya na enyemaka maka ego, nke mere na ndị MHHS ga-ejide ikike ụzọ iwu ịnata onye ọrịa ụgwọ ego ole ha ji. Ọ bụrụ na amaghị ụma weta ozi asị ndị a, ndị MHHS ga-eji ozi edeghariri edeghari wee mee owuwe.,

**NTỤAKA:**

Iwu mwefe onye ọrịa (EMTALA na Iwu nrube isi mwefe obodo Texas)
Nchịkọta asụsụ nkịtị enyemaka maka ego
Ntinye akwụkwọ ịnweta enyemaka maka ego
Iwu ịgba-ụgwọ na nnakọta

**NGOSI:**

Ngosi A - Mgbakọta ego ole a nara n'ụgwọ

Ngosi B – Ụkpụrụ nhazi ịda ogbenye Gọọmenti etiti

*N'ịganiihu n'ihu akwụkwọ na eso.*

## Ngosi A - Mgbakọta ego ole a nara n'ụgwọ

Ego ole a nara n'ụgwọ gbadoro ụkwụ na usoro ịgba-ụgwọ na ime kodu nke ndị MHHS ji emepụta ego ole a na-akwụ maka nleta ahụike maka ọnọdụ mberede ma ọ bụ nleta ahụike dị mkpa. Aga eji mgbakọta ego ole a nara n'ụgwọ maka ụdị ihe ahụ wee kewaa mgbakọta ego ole a na-ekwe ka ndị Medicare kwuo, a ga ewepụkwa ihe agbakọtara n'ime otu iji gbakọọ pasentị AGB.

**AGB % nke IP (onye ọrịa nọ n'ụlọ-ọgwụ) = Medicare IP ụgwọ ekwere ka akwuo / Medicare IP Mgbakọta ego ole a nara**
**AGB % nke OP (onye ọrịa na-abịa n'ụlọ-ọgwụ) = Medicare OP ụgwọ ekwere ka akwuo / Medicare OP Mgbakọta ego ole a nara**

Kwa afọ, a na-agbakọ AGB n'iche n'iche kwa ụlọ-ọgwụ ọbụla, mana ndị ụlọ-ọgwụ MHHS niile ga-ewere pasentị AGB pekarịsịrị mpe n'ime ụlọ-ọgwụ niile ahụ.

| Ụlọ-ọgwụ | Onye ọrịa nọ n'ụlọ-ọgwụ | Onye ọrịa na-abịa n'ụlọ-ọgwụ |
|---|---|---|
| Memorial Hermann Greater Heights Hospital | 27% | 11% |
| Memorial Hermann – Texas Medical Center | 20% | 11% |
| Memorial Hermann Katy Hospital | 27% | 10% |
| Memorial Hermann Rehabilitation Hospital – Katy | 39% | 11% |
| Memorial Hermann Memorial City Medical Center | 26% | 13% |
| Memorial Hermann Northeast Hospital | 27% | 11% |
| Memorial Hermann Southeast Hospital | 27% | 11% |
| Memorial Hermann Southwest Hospital | 24% | 14% |
| Memorial Hermann Sugar Land Hospital | 25% | 11% |
| Memorial Hermann The Woodlands Medical Center | 26% | 12% |
| TIRR Memorial Hermann | 29% | 17% |
| University Place | 50% | N/A |

Afọ ụtụ nke afọ puku abụọ na iri abụọ na otu (Ọnwa Julaị nke afọ puku abụọ na iri abụọ – Ọnwa Juun nke afọ puku abụọ na iri abụọ na otu) Ego AGB dị etu a:

**Mgbakọta ego ole a nara n'ụgwọ OP: 10%**
**Mgbakọta ego ole a nara n'ụgwọ IP: 20%**

*N'ịganiihu n'ihu akwụkwọ na eso.*

## Ngosi B – Ụkpụrụ Nhazi Ịda Ogbenye Gọọmenti Etiti

Tabulu ịhe fọdụrụ n'ụgwọ ọnwa oruru ịnweta enyemaka maka ego bụ ihe ana edegharị oge enwere mgbanwe na ụkpụrụ nhazi ịda ogbenye gọọmenti etiti. A na-edeghari tabulu a kwa afọ.

Tabulu ịhe fọdụrụ n'ụgwọ ọnwa oruru ịnweta enyemaka maka ego pụtara tabulu ụgwọ ọnwa dị ugbu a ndị MHHS ji emepụta oruru ịnweta enyemaka maka ego n'okpuru FAP nke a.

Tabulu ịhe fọdụrụ n'ụgwọ ọnwa oruru ịnweta enyemaka maka ego gbadoro ụkwụ na ụkpụrụ nhazi ịda ogbenye gọọmenti etiti na Tabulu oruru nke Harris County Hospital District, dịka ndị ọrụ gọọmenti siri edozi ya kwa mgbe kwa mgbe ma na tabulu a na-ekwu maka ya dị adị maka ntule.

Biko lee tabulu n'okpuru:

| **Memorial Hermann Health System**<br>Tabulu ịhe fọdụrụ n'ụgwọ ọnwa oruru ịnweta enyemaka maka ego | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| Ụkpụrụ nhazi ịda ogbenye gọọmenti etiti (FPG) nke afo puku abụọ na iri abụọ na abụọ Ihe fọdụrụ n'ime ụgwọ ọnwa kwa ọnwa ma ọ bụ kwa afọ iji ruo ịnweta enyemaka maka ego site na ka nhata nha ezinụlọ siri dị. | | | | | | |
| | 100% nke FPG | | 200% nke FPG | | 400% nke FPG | |
| Nhata nha ezinụlọ | Mgbakọta ụgwọ ọnwa kwa afọ | Ụgwọ ọnwa | Mgbakọta ụgwọ ọnwa kwa afọ | Ụgwọ ọnwa | Mgbakọta ụgwọ ọnwa kwa afọ | Ụgwọ ọnwa |
| 1 | $13,590 | $1,133 | $27,180 | $2,265 | $54,360 | $4,530 |
| 2 | $18,310 | $1,526 | $36,620 | $3,052 | $73,240 | $6,103 |
| 3 | $23,030 | $1,919 | $46,060 | $3,838 | $92,120 | $7,677 |
| 4 | $27,750 | $2,313 | $55,500 | $4,625 | $111,000 | $9,250 |
| 5 | $32,470 | $2,706 | $64,940 | $5,412 | $129,880 | $10,823 |
| 6 | $37,190 | $3,099 | $74,380 | $6,198 | $148,760 | $12,397 |
| 7 | $41,910 | $3,493 | $83,820 | $6,985 | $167,640 | $13,970 |
| 8 | $46,630 | $3,886 | $93,260 | $7,772 | $186,520 | $15,543 |
| *Maka ezinụlọ nwere karịa mkpụrụ mmadụ asatọ: tinye $4,720 maka onye ọbụla etinyere n'mgbakwunye.* | | | | | | |